In association with BritishRedCross

DOCTORS OF THE WORLD

Ndumoodu Coronavirus (Covid-19)

IGBO

Ndụmọdụ ahụike nke a sitere na ndụmọdụ na ozi nke NHS ndụmọdụ a bụ maka onye ọ bụla bi na UK, obodo ị si bịa adịghị mkpa ọ bụla.



Version 8 [15.12.2020]

Translated by: Transbless TRANSLATIONS

Ọdịnaya

Gini bu Coronavirus (COVID-19) na otu esi echekwa onwe?

Kedu ihe ị ga - eme ma ọ bụrụ na ị nwere mgbaàmà?

Ndumoodu nnọpụ iche maka ezinụlọ nwere ọrịa coronavirus(COVID-19)

Ogologo oge ole ka ekwesịrị ka ị soro ntụziaka nnọpụ iche?

Mgbe ekwesịrị ịkpọturu NHS 111?

Otu esi akpọtụrụ NHS 111?

Gịnị ga-eme ma ọ bụrụ na m na-enwe nchegbu banyere ọnọdụ mbata na ọpụpụ?

Kedu ihe a ga - eme iji nyere aka ikwụsị Coronavirus (COVID-19) ịgakwuru ndị ozo?

Gini bu Coronavirus (COVID-19) na otu esi echekwa onwe gị?



COVID-19 bụ ọrịa ọhụụ nwere ike imetụta ngụgụ gi, na ụzo ikuku na akụkụ ahụ ndị ọzọ. Vairos nke a na-akpọ coronavirus bụ ihe na-akpata ya.



Ịga - echekwa onwe gị site na ibelata mmekọrịta gị na ndị mmadụ gị na ha ebighị, site na isoro usoro ịdị ọcha dị oke mkpa dịka o kwere mee iji nyere aka ịkwụsị mgbasa ọrịa coronavirus. Nke a gụnyere ndị nọ n'afọ niile - ọbụlagodi na ịnweghị mgbaàmà obula ma ọ bụ ọnọdụ ahuike ọzọ.



Iji ụgbọ njem ọha: Ikwesịrị i zere iji ụgbọ njem ọha na ala dịka o kwere mee ma kama nwaa ịnya igwe, jee ije ma ọ bụ kwọọ ụgbọ ala. Ọ bụrụ na ịchọrọ iji ụgbọ njem ọha, gbalịa i zere mgbe ndi mmadu n'agaghari ma nọgide na-ekewapụ onwe gi nye ndi ozo. ị ga-eyiriri ihe mkpuchi ihu n'ime ụgbọ njem ọha. Ọ dị mkpa na isoro ntuziaka a, enwere ike ịta gị uta ma ọ bụrụ na ịsoghị ya.



I ga n'ihu na-arụ ọrụ: Ikwesịrị i nọgide na-arụ ọrụ n'ụlọ gị ma ọ bụrụ na ị ga-emeli ya. Ọ bụrụ n'ịchọrọ ịga ọrụ, ị ga-ebu ụzọ hu na gị na ndị ezinụlọ gị enweghi mgbaàmà. Ọ bụrụ na onweghị ihe mgbaàmà ọ bụla, ị nwere ike ịga ọrụ ma ọ bụrụ na ị na-elele anya nke ukwuu hu ịnọ mita abụọ nye ndi ozo na asacha aka ma ọ bụ dị ọcha mgbe niile. Nwere ike ịyochaa ndị ọrụ gị maka usoro nchekwa yana nweta ihe nchebe onwe na ebe ị na-arụ ọrụ.



Ndị uwe ojii na ndị agha nwere ike ruo ọrụ na immejuputa usoro ahuike ọha, ya na inyefe ndị na-enweghi ihe oriri nri na ihe ndị ọzọ dị mkpa.

I nwere ike ibudata ngwa na ekwentị gị iji nọrọ na nchekwa. Ngwanrò ahụ ga-eme ka ị mara ma ọ bụrụ na ị nọ nso gi na onye ọzọ nke nwere Ngwanrò nke nwere oria coronavirus. Ma ọ bụrụ na nwale na-egosi na ị nwere ya, ọ nwere ike inye aka n'ịchọpụta kọntaktị ị nwere ike ịhapụ ma ọ bụrụ na ị na-edebe ozi gị na nzuzo na enweghị aha.

Ọ bụrụ na ibi n'Ingland na Wales, budata **App NHS COVID-19**. Ngwanrò a dịịrị onye ọ bụla karịrị afọ iri na isii. Maka ozi ndị ọzọ n'asụsụ iri na otu: https://covid19.nhs.uk/information-and-resources-translated.html

Ọ bụrụ na ibi na Scotland, ị nwere ike ibudata **Protect Scotland App**. Ngwanrò a dịịrị onye ọ bụla karịrị afọ iri n isii. Maka ozi ndị ọzọ: https://www.protect.scot/

Ọ bụrụ na ịnọ na Northern Ireland, ịnwere ike ibudata **StopCOVID NI Proximity App**. Ngwanrò a dịịrị onye ọ bụla karịrị afọ iri na otu. Maka ozi ndị ọzọ: https://www.nidirect.gov.uk/articles/coronavirus-covid-19-stopcovid-ni-proximity-app

Chọọ ndị n'achi obodo gị maka iwu mkpọchi obodo ọ bụla nwere ike ịbara gị uru.	
Na England,	https://www.gov.uk/government/publications/coronavirus-covid-19-meeting-with-others-safely-social-distancing
Na Skọtland	https://www.gov.scot/publications/coronavirus-covid-19-protection-levels/
Na Wales,	https://sanctuary.gov.wales/covid-19
Na Northern Ireland,	https://www.health-ni.gov.uk/publications/guidance-accompany-health-protection-coronavirus-restrictions-no-2-regulations-northern-ireland-2020

Kedu ihe ị ga - eme ma ọ bụrụ na ị nwere mgbaàmà?

O bụrụ na ịnwere:



- okpomoku dị elu - ị na-okpomoku imetụ aka n’obi gi ma ọ bụ azụ, ma ọ bụ
- ụkwara ọhụrụ, na - aga n'ihu - nke a pụtara ịmalite ụkwara ugboro ugboro, ma ọ bụ
- ofufu nke, ma ọ bụ ngbanwe n’ihe ụtọ ma ọ bụ isi (anosmia) - ọ bụrụ na ịnweghị ike ịnụ isi ma ọ bụ ịnụ ụtọ ihe ọ bụla, ma ọ bụ ihe isi isi ma ọ bụ ụtọ dị iche karia otu okwesịrị



Iga-esoriri usoro ndịa ozugbo enwere ike:



kewapu onwe gị: nọrọ n'ụlọ ma opekempe ụbọchị iri nwee **soro ntuziaka maka inopu iche maka ulo nwere oria coronavirus**. Onye ọ bụla ọzọ nọ n’ụlọ gị ma ọ bụ onye gị na ya nwere mmekọrịta ga-anọrọ onwe ya ụbọchị 10.



Gbalịa nnwale ma ịnwere Coronavirus n'ime ụbọchị ise izizi ị nwere mgbaàmà: A ga-enyocha onye ọ bụlan’efu ma ọ bụrụ na ha nwee ihe mgbaàmà iji chọpụta ma ha nwere nje ahụ. Enwere ụzọ abụọ iji nwalee. Enwere ike ibutere gi ule ahụ n’ebe ị bi, ma ọ bụ ịga ebe a na-ele ule. iga-enweta nsonaazụ ule gị site na ozi ederede, email ma ọ bụ oku ekwentị.

Gbaḷịa nnwale ma ịnwere Coronavirus



Iji deba aha maka ule nnwale ma ọ bụ rịọ maka ya ịntanetị gaa na https://www.nhs.uk/ask-for-a-coronavirus-test Ọ bụrụ na ịnweghị oghere ịntanetị, kpọọ 119 na **England**, **Wales** na **Northern Ireland** ma ọ bụ 0800 028 2816 na **Skọtland.**





Ọ bụrụ na nsonaazụ n'egosi ịnweghị ya: ịnwere ike ịkwụsị nkewapu onwe gị iche ma ọ bụrụ na ahụ adịla gị mma ma ị nweghị mgbaàmà ọ bụla. Ndị ọzọ nọ n'ezinụlọ gị ma ọ bụ ndị gị na ha mekotara nwekwara ike ịkwụsị ịkpa iche.

Ọ bụrụ na nyocha ahụ n'egosi na ịnwere ya: ị ga-kewapụrịrị onwe gị ụbọchị iri nke fọdụrụ, onye ọ bụla nọ n'ụlọ gị ma ọ bụ onye gị na ya emekọrịtara ga ekewapụ onwe ha ụbọchị 10. Ndị ọrụ nchọpụta mpaghara gị ga-akpọtụrụ gị na-arịọ maka enyemaka gị iji kwụsị ịgbasa nje ahụ. Ha ga-ajụ gị ebe ị nọrọ n'oge na-adịbeghị anya na onye gị na ya nọrọ nso. Nke a di mkpa iji mata onye kwesiri inopu iche ma nọrọ n ulo rue ụbọchị iri ma obu karie.

Choo ozi ndi ozo:
Na Skọtland https://www.gov.scot/publications/coronavirus-covid-19-test-and-protect-coronavirus-service/
Na Northern Ireland, https://www.publichealth.hscni.net/publications/test-trace-protect-step-step-guide-and-translations

Ndumoodu nnọpụ iche maka ezinụlọ nwere ọrịa coronavirus



Agakwala ọrụ, ụlọ akwụkwọ, ịwa ahụ ndi GP, ma ọ bụ ụlọ ọgwụ



Jiri ihe dị iche, ma ọ bụ sachaa ha mgbe iji ha



Zere ịnọ ndị mmadụ nso



Mee ka nri & ọgwụ ịrute n'ọnụ ụzọ gị



soro ntuziaka banyere ndị ọbịa



Na-ehi ụra naanị gị, ọ bụrụ na ọ ga-ekwe omume



Saa aka gi mgbe nile



Na-a nụ mmiri buru ibu



Were paracetamol iji nyere aka na mgbaàmà gị

Ọ dị mkpa na isoro ntuziaka a, enwere ike ịta gị uta ma ọ bụrụ na ịsoghị ya.

Chọpụta ihe ndi ọzọ na:https://www.gov.uk/government/publications/covid-19-stay-at-home-guidance

Ogologo oge ole ka ekwesịrị ka ị soro ntụziaka nnọpụ iche?

- Onye ọ bụla nwere ihe mgbaàmà ga-anọ n'ụlọ ma kewapụ oge di ka ụbọchị iri.
- Ọ bụrụ na gị na ndị ọzọ ebikọ, ha kwesịrị ịnọ n ’ụlọ ma kewapụ ụbọchị opekata mpe 10, ka ha ghara ibunye ọrịa n’ ụlọ.
- Mana, ọ bụrụ n’onye ọ bụla n’ụlọ gị enweta ihe mgbaàmà, ha ga-anọ n’ụlọ wee kewapụ ụbọchị iri site na ụbọchị mgbaàmà ha malitere. Ọbụna ma ọ bụrụ na ọ pụtara na ha na-anọ n'ụlọ maka ogologo oge karịa ụbọchị 10.
- Ọ bụrụ na gị na onye dị afọ 70 ma ọ bụ karịa, nwere ọrịa nọtere aka, dị ime ma ọ bụ na ọ nweghịzi ezigbo usoro ahụ, gbalịakwa ịchọta ebe ọzọ ha ga-anọ ụbọchị 10.

Kedu mgbe ekwesịrị ịkpọ NHS 111?

- ị na-arịa ọrịa nke ukwuu nke na ịnweghị ike ịme ihe ọ bụla ị na-eme, dị ka ilele TV, iji ekwentị gị, gụọ ma ọ bụ teta n'ihe ndina
- ị gaghị enwe ike ịnagide mgbaàmà gị n'ụlọ
- ọrịa gị na-aka njọ

Otu esi akpọtụrụ NHS 111?

Ị nwere ike iji ọrụ coronavirus NHS 111 dị n'ịntanetị (https://111.nhs.uk/covid-19) iji mata ihe aga eme ozo. Ọ bụrụ na ịnweghị ike ịnweta ọrụ n'ịntanetị ị nwere ike ịkpọ 111 (ọ naghị efu ihe ọ bụla ịkpọ). Ịnwere ike ị nweta onye ntụgharị okwu n’asụsụ gị site na ịza “yes” (**ee)** ugboro ugboro maka ajụjụ niile.

Ihe ị ga-eme ma ọ bụrụ na ịnwere nchegbu banyere ọnọdụ mbata na ọpụpụ gi?

Ndị obịa bịara ala **England**, gụnyere onye ọbụla bi na mpaghara UK n’enweghị ikike obibi, **agaghị** akwụ ụgwọ:

- nnyocha nje coronavirus (ma ọ bụrụgodi na o gosirị na ị nweghị nje a)
- ọgwụgwọ nje coronavirus – mana ọ bụrụ na ị malitere ọgwụgwọ, emesịa, nnyocha egosi n’ịnweghịzị ya bụ ọrịa, ị nwere ike ịkwụ ụgwọ ọgwụgwọ ọzọ ọbụla ị natara mgbe ịnwetechara nsonaazụ nke nnyocha ahụ
- ọgwụgwọ ụmụaka ndi nwere otutu ime ahu ha zara aza

Agaghi ajụ gị maka ikike ọpụpụ na mbata gị n’ala UK ma ọbụrụ naanị nnyocha maọbụ ọgwụgwọ nje COVID-19 ka ịchọrọ ime.

Kedu ihe a ga - eme iji kwụsị Coronavirus ịgakwuru ndị mmadụ?

- Gbaa mbọ hụ na ị na-akwọ aka gị ugboro ugboro, na-eji ncha na mmiri, ọ dịkarịa sekọnd iri abụọ
- Gee ntị na ndụmọdụ gbasara ịnọ na njikere na mma
- Dabere na ebe i bi, soro ndụmọdụ gbasara mkpuchi ihu ma nọrọkwa ebe dị anya mita abuo nye ndị gị na ha na-ebighi.

Choo ozi ndi ozo:

- Nduzi NHS: https://www.nhs.uk/conditions/coronavirus-covid-19/
- Nduzi WHO: https://www.who.int/news-room/q-a-detail/q-a-coronaviruses